IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Nwoke nke Ọkụ

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
E. Frischbutter

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Ihe niile wee dịịrị Izrel njọ.  Eze na lọọlọ ya kpọrọ Chineke asị.  Lee ihe ọmụmaatụ ọjọọ nke a bụ!  N’oge na-adịghị anya, ndị ahụ niile kpọkwara Chineke asị ma fekwa chi ụgha nille dị iche iche.  Ọ dị onye hụrụ Chineke n'anya?



Ee, e nwere mmadụ ole na ole bụ kwesịrị ntụkwasị-obi n’ife Chineke ofufe.  Otu ụbọchị, Chineke gwara otu n’ime ha okwu, aha ya bụ Elaija.



Elaịja wee gwa eze Ehab, onye ajọ omume sị, “Dịka Jehova, bụ Chineke Israel, na-adị ndụ, igirigi maọbụ mmiri-ozuzo agaghị adị n’afọ ndị a niile, ma-ọbụghị n'okwu onụ m.”  Nke a pụtara na ụnwụ nri ga-adị!  Chineke agaghị ekwe ka ndị Ya Izrel gaa n’ihu n’ajọ omume ha niile.





Mgbe ọ dọsịrị eze aka ná ntị, Chineke zipụrụ Elaịja n’ebe dị jụụ n’ime obodo ahụ. N’ebe ahụ, n’akụkụ iyi, Elaịja cheere. Chineke zitere ugoloọma ka ha bịa zụọ ya nri. Ha na-ebute achịcha na anụ, ụtụtụ na mgbede. Elaịja wee ṅụọ mmiri sitere na mmiri-iyi ahụ.



N’oge na-adịghị anya, iyi ahụ takọrọ, n’ihi na mmiri ezobeghị n’ala ahụ. Okwu Chineke wee na-emezu. Mba ahụ dum enweghị mmiri. Ihe ọkụkụ dị iche iche etoghịkwa. Agụụ juru ndị mmadụ ahụ. O nwere ike ịbụ na Elaija nọ na-eche ihe ga-eme ya ugbu a mmiri ahụ gwụrụla.

Chineke wee gwa Elaịja sị, “Bilie, gaa Zarefat, biri n’ebe ahụ. Lee, enyewo m otu nwaanyị di ya nwụrụ iwu ka o lekọta gị.” Chineke maara mkpa ohu Ya. Ma lee ụzọ ịtụnanya isi nye ihe. Elaịja ji obi umeala rubere Chineke isi. Mgbe o ruru Zarefat, nwaanyị ahụ di ya nwụrụ nọ n'ọnụ ụzọ ámá obodo na-achịkọta osisi maka nkụ.



“Biko wetara m ntakịrị mmiri n’ime iko,” ka Elaija jụrụ nwanyị ahụ. “Biko wetakwara m ntakịrị achịcha.” “Enweghị m achịcha,” ka nwanyị ahụ di ya nwụrụ zara. “Ọ bụ naanị obere ntụ ọka n'ime nnukwu efere na obere mmanụ n'ime ite.”



Na mwute, nwaanyị ahụ gwara onye-amụma ahụ na mgbe nke a gwụrụ, agụụ ga-agụgbu ya na nwa ya nwoke.

“Atụla egwu, buru ụzọ were ya mere m ntakịrị achịcha, ma emesịa, meere onwe gị na nwa gị nwoke,” ka Elaịja kwuru. “Ntụ-ọka ahụ agaghị agwụ, maọbụ mmanụ, ruo ụbọchị Jehova ga-eme ka mmiri zoo n'elu ụwa.” Chineke ga-alụ ọlụ ebube ka nke ahụ wee mee. O mekwara! Nwaanyị ahụ na nwa ya nwoke riri nri ruo ọtụtụ ụbọchị, ma ite ntụ-ọka ahụ agwụchabeghị, ite mmanụ ahụ agwụkwaghị.



Elaịja wee binyere ha. Otu ụbọchị, ihe mwute mere. Nwa nwoke nwaanyị ahụ di ya nwụrụ, anwụọ. Elaịja buuru ozu nwata ahụ gaa n'ọnụ ụlọ dị n'elu. O wee



tikue Jehova sị, "Jehova, bụ Chinekem, biko, ka mkpụrụ-obi nwata a laghachikute ya." Lee ekpere na-agaghị ekwe omume!



Jehova wee nụ olu Elaịja, mkpụrụ-obi nwata ahụ wee laghachikute ya, o wee dị ndụ. Mgbe Elaịja kuru nwata ahụ kunye nne ya, ọ sịrị: “Ugbu a ka m ji mara na okwu Jehova dị n'ọnụ gị bụ eziokwu.”

Mgbe afọ atọ gachara, Chineke zighachiri Elaịja gakwuru eze sị, “M ga-eme ka mmiri zoo n’elu ụwa.”



Jekuru Ehab? Nwunye ya bụ́ Jezibel egbuolarị otu narị ndị amụma Chineke. Ma Elaija agbaghaghị ụka. Ọ gakwuuru eze Ehab.



Mgbe ndị ikom abụọ
ahụ zutere, Elaịja
gwara Ehab ka ọ
kpọkọta Izrel dum na
narị ndị-amụma ụgha
asatọ na iri ise.  N’otu
ebe a na-akpọ Ugwu
Kamel, Elaịja wee gwa
ndị Izrel okwu.  “Ọ
bụrụ na Jehova
bụ Chineke,
na-esonu Ya.”



Elaija nwere oke ehi abụọ a kwadebere maka àjà. Ma ọ dịghị ọkụ a ga-eji mụnye ha. “Unu kpọkue aha chi unu, m ga-akpọkukwa aha Jehova,” ka o kwuru. Ma Chineke Nke na-eji ọkụ aza, Ọ bụ ya bụ Chineke. Ndị Israel zara sị, “Ikwuwo ya nke ọma.”



Site n’ụtụtụ ruo n’anyasị, ndị amụma ụgha na-akpọku chi ụgha ha.  Ha maliri, gbaa egwu wee were mma gbukasia onwe ha n’ahụ ruo mgbe ọbara gbawara. Ma ọ dịghị ọkụ bịara.





Elaija wee mikpuo osisi ahụ ihe-aja ahụ na mmiri, wee kpee ekpere. “Jehova, nụrụ olu m, ka ndị a wee mara na Gị onwe gị bụ Jehova Chineke...” Mgbe ahụ ọkụ nke Jehova dara. O surere oké ehi na nkụ ahụ ọkụ. O surekwara ebe ịchụ-àjà nkume ahụ ọkụ!

Ndị Izrel wee hụ ya, wee tie mkpu sị, “Jehova, Ya onwe ya bụ Chineke.” Elaija wee sị, “Jidenu ndị-amuma Beal: ekwela ka otù onye n’ime ha wepụga onwe ya.” Elaija mere ihe Eze Ehab kwesịrị ime kemgbe. O gburu ndị amụma ụgha ahụ niile.



Orù Chineke wee gosi Ehab na mmiri-ozuzo dị n'ụzọ.  N’oge na-adịghị anya, obere ígwé ojii pụtara.  Ọ ga-abụ mmiri ozuzo?  Mgbe ihe kariri afọ atọ nke ụkọ mmiri ozuzo gachara?





N’oge na-adịghị anya, elu-igwe gbara oji n’ígwé ojii na ifufe, ma nnukwu mmiri ozuzo wee malite. Chineke zitere mmiri ozuzo. Chineke gosiri ndị Izrel na Elaịja na-agwa ha eziokwu. Chineke gosiri na ọ bụ naanị ya bụ ezi Chineke.



Ị chere na Eze Ehab sọpụụrụ Chineke na ohu ya bụ Elaija? Mba! N’ezie, Jezibel gbalịrị igbu Elaija, ma ọ gbapụrụ. N’ikpeazụ, Ehab nwụrụ n’agha ma ndị na-ejere ya ozi chụpụrụ Jezibel n’elu mgbidi dị elu nke dị n’obí eze. Ọ dakwasịrị n’elu nkume dị n’okpuru ebe ahu wee nwụọ.



Gịnị mere Elaija?  Otu ụbọchị, Chineke zipụrụ ọta ọkụ na ụgbọ ịnyịnya ọkụ; Elaija, bụ onye ọku nke Chineke, weere oké ifufe lagoro n'elu igwe.

# Nwoke nke Ọkụ

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

1 Ndị Eze Isi nke iri na asaa rue nke iri na itoolu, 2 Ndị Eze Isi nke abụọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.